ỊTURU IME N'EJIGHI NJỌ NKE MARIA DỊ NGỌZI

ỤBỌCHỊ 8 NKE DISEMBA

ỊTỤRỤ IME N'EJIGHỊ NJỌ NKE MARIA DỊ NGỌZI NWANYỊ NA-AMAGHỊ NWOKE

Nnukwu Emume

UKWE MBATA:

Aga m aṅụrị ọṅụ nke ukwu n'Onyenweanyị. Mkpụrụobi m ga-egori na Chineke m; n'ihi na O yiwela m nzọpụta dịka uwe, bịakwa were uwe nke ezi omume kpugide m, dịka nwanyị a na-alụ ọhụrụ ji ewere ihe ejiji ya chọọ onwe ya mma.

EKPERE MMEGHE

Ka anyị rịọ arịrịọ

Chetụ ntakịrị kpee ekpere n'ime obi

Chineke, Nna ji ike nile, I sitere n'ịtụrụ ime n'ejighị njọ nke Maria dị ngọzi, Nwanyị na-amaghị nwoke, kwadoro Nwa Gị ebe obibi kwesịrị ekwesị. Ọ bụ Gị gbochiiri Ya ihe ọ bụla ọnụ kpọrọ njọ, ka O were bido na mbụ keta oke n'amara dị n'ọnwụ nke Nwa Gị. Biko, anyị na-arịọ Gị, site n'ekpere ya, mee ka anyị dị mma ịbataru n'ebe Ị nọ. Site na Dinwenụ anyị Jesu Kristi Nwa Gị...

A ga ekpe "Ekwe m n'otu Chineke..."

IHE ỌGỤGỤ NKE MBỤ:

Ihe ọgụgụ e wetara n'Akwụkwọ Jenesis 3:9-15, 20

Mgbe Adam tachara mkpụrụ osisi ahụ, Onyenweanyị Chineke kpọrọ nwoke ahụ oku, jụwa ya sị: "Olee ebe ị nọ"? Ọ zara sị: "Anụrụ m mmetụ

Gị n'ime ogige. Egwu tụrụ m, n'ihi na agba m ọtọ. Ya mere m jiri zoo".

O wee juwa ya: "Onye kọọrọ Gị na ị gba ọtọ? Ị nọ na-atarawa mkpụrụ osisi ahụ M sị gị atala"? Nwoke ahụ zara Ya: "Ọ bụ nwanyị a, I tinyekọtara m na ya; o nyere m mkpụrụ osisi. M wee taa".

Onyenweanyị Chineke jụrụ nwanyị ahụ sị: "Ihe a i mere, ọ bụ gịnị"? Nwanyị ahụ zara Ya: "Ọ bụ agwọ nwara m ọnwụnwa. M wee taa ya".

Mgbe ahụ, Onyenweanyị Chineke gwara agwọ: "N'ihi ihe a i mere, a bụọla gị ọnụ karịrị nke a bụrụ anụ nile na-aga n'ụkwụ anọ, na anụ ọhịa nile. Afọ ka ị ga-eji na-akpụ n'ala, na-ata aja ụbọchị ndụ gị nile. Aga M eme ka e nwee ịdị n'iro n'agbata unu; ka e nwee ịdị n'iro n'agbata gị na nwanyị; n'agbata mkpụrụ gị na mkpụrụ ya. Ọ ga-azọpịa gị isi. Ma ị ga-ata ya n'ike ụkwụ.

Nwoke ahụ kpọrọ nwunye ya 'Iv', maka na ọ bụ nne ndị nile dị ndu.

Okwu nke Oseburuwa
Ekele dịrị Chukwu.

ABỤỌMA.NA AZỊZA YA: 98:1, 2-3, 3-4

Azịza: Kweerenụ Onyenweanyị ukwe ọhụrụ, maka na Ọ rụọla ọrụ ebube.

1. Kweerenụ Onyenweanyị ukwe ọhụrụ, maka na Ọ rụọla ọrụ ebube. Aka Ya enwetarala Ya mmeri. Ogwe aka Ya dị nsọ! *Azịza*
2. Onyenweanyị emeela ka a mata nzọpụta Ya. O kpugheela ikpe nkwụmọtọ Ya n'ihu mba nile. O chetala obi ọma Ya na ịkwụdosi ike nke Ọ nwere n'ebe obi Izrel nọ. *Azịza.*

3. Akụkụ ụwa nile ahụla nzọpụta Chineke anyị. Ala nile, kweerenụ Onyenweanyị ukwe anụrị. Tienụ mkpu ọnụ! Kweenụ ukwe otito. *Azịza.*

IHE ỌGỤGỤ NKE ABỤỌ:
Ihe ọgụgụ e wetara n'Akwụkwọ Pọl degaara Ndị Efesọs 1:3-6, 11-12

Ekele dịrị Chineke Nna Onyenweanyị Jesu Kristi, Onye jiri ngọzi nile nke mmụọ dị n'eluigwe gọzie anyị n'ime Kristi. Tupu e mee ụwa, Ọ họọrọ anyị n'ime Kristi ka anyị dị asọ, ghara ibu mmerụ ma ọ bụ ntụpọ; ka anyị bie ndụ ịhụnanya n'ihu Ya. O kpebielarị na anyị ga-abụ ndị O jiri mere umu site na Jesu Kristi.

Ọ bụ maka ebumnobi obi ọma Ya ka O jiri mee ka anyị bụrụ ndị ga-eto ebube nke amara Ya, nke bụ ọgọ O meere anyị n'ime Onye ahụ Ọ hụrụ n'anya.

Okwu nke Oseburuwa
Ekele dịrị Chukwu.

ALELUYA: Luk 1:28

Aleluya, aleluya. Ekele Maria, i jupụtara n'amara. Oseburuwa nọnyeere gị. Ị dị ngọzi n'etiti ụmụnwanyị nile, aleluya.

OZỊỌMA:
Ihe ọgụgụ nke a, e wetara ya n'Ozịọma dị nsọ nke Luk dere 1:26-38

Chineke zigara mmụọma Gebrel n'otu obodo Galili a na-akpọ Nazaret. O zigaara ya otu nwagbọghọ na-amaghị nwoke, nke nwoke a na-akpọ Josef, onye si n'obi Devid na-achọ ịlụ. Aha nwagbọghọ ahụ na-amaghị nwoke bụ Maria.